(Nke e deturu na kọmputa dịka 040101 - 4) ***<u>Year C #780</u>***

***New Year's Day Reading***

***Ihe Ọgụgụ Ụbọchị Mbụ Nke Afọ***

***040101-5***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Nke a bụ ụbọchị ọhụrụ dị ịtụnanya nye ụfọdụ nime anyị! Nke a bụ ụbọchị ahụ anyị gaje ịtụkwasị Chineke obi ịlụ ọlụ ahụ nime anyị nke anyị onwe anyị na-apụghị imere Ya. Ọ gaje ịbụ ụbọchị Ya; ọ gaje ịbụ izu Ya; ọ gaje ịbụ ọnwa Ya, onye maara, eleghị anya afọ nke a! Anyị amaghị ndiiche dị n'otu ụbọchị n'ebe ụbọchị ọzọ dị mana ka anyị bata nime oge a, ebe anyị na-enye Onyenweanyị Jisọs Kraist otuto niile. N'ime nke a, apụghị m iche ihe ọzọ na-abụghị isi akwụkwọ ahụ dị ebube dị na **Ndi Hibru, isi nke mbu**. Ka anyị were otu nkeji oge maọbụ abụa lebaa anya na nke a.

**1 Chineke, mgbe Ọ gwararị nna-anyị hà okwu n'oge ochie nime ndi-amụma n'iberibe-akwụkwọ dị iche iche na ụzọ dị iche iche,**

**2 Ọ gwara anyị okwu n'ọgwụgwụ ụbọchị ndia nime Ọkpara, Onye O doro onye-nketa nke ihe niile, Onye O sitekwara n'aka Ya mee ụwa niile;**

**3 Onye, ebe Ọ bụ nnwupu nke ebube Ya na onyinyo nke ụdị Ya, ebe O na-ebu kwa ihe niile site n'okwu nke ike Ya, mgbe Ọ**

**sachasịrị mmehie niile anyị, O wee nọdụ n'aka-nri nke Ịdị-ukwu ahụ dị n'elu;**

**4 Ebe emere Ya rị ka Ọ ka ndi-mmụọ-ozi mma n'ụzọ ra otú O ketawo aha nke ka mma.**

**5 N'ihi na ọ̀ bụ onye n'etiti ndi-mmụọ-ozi ka Ọ sịrị mgbe ọ bụla, Ọkpara m ka Gị onwe gị bụ, Mụ onwe m amụwo Gị taa? Ọzọ kwa, Mụ onwe m ga-abụrụ Ya Nna, Ya onwe ya ga-abụkwara m Ọkpara?**

**6 Ma ọzọ kwa, mgbe ọ bụla Ọ ga-akpọbatawori Ọkpara ahụ n'elu-ụwa ebe mmadụ bi, Ọ sị, Ka ndi-mmụọ-ozi niile nke Chineke kpọọ kwa isi ala nye Ya.**

**7 Ọ na-ekwu kwa ihe banyere ndi-mmụọ-ozi, sị, Onye na-eme ndi-mmụọ-ozi Ya ka ha bụrụ ifufe, Na-eme kwa ndi na-ejere Ya ozi ka ha bụrụ ọkụ na-enwu enwu:**

**8 Ma Ọ na-ekwu ihe banyere Ọkpara ahụ, sị, Oche-eze gị, Chineke, na-adịru mgbe niile ebighị-ebi; Mkpa-n'aka-eze nke izi-ezi ka mkpa-n'aka nke ala-eze Gị bụ kwa.**

**9 I hụrụ ezi omume n'anya, wee kpọọ mmebi-iwu asì; N'ihi nkea Chineke, bú Chineke Gị, tere Gị Mmanụ obi-ụtọ n'isi karị ndi-nketa ibe Gị.**

**10 Ọzọ kwa, Gị onwe gị, Onyenweanyị, na mbụ ka Ị tọrọ ntọ-ala nke ụwa; Ọlụ aka Gị ka elu-igwe bụ kwa:**

**11 Ha onwe ha ga-ala n'iyì; ma Gị onwe gị na-anọgide: Ha nile ga-aka kwa nká dịka uwe;**

**12 Dịka ákwà-mgbokwasị ka Ị ga-apịakọta kwa ha, Dịka uwe, aga-agbanwe kwa ha: Ma Gị onwe gị bụ Onye ahụ Nke na-adị mgbe niile, Arọ Gị niile agaghị-agwụ kwa agwụ.**

**13 Ma ọ̀ bụ onye n'etiti ndi-mmụọ-ozi ka O kwuworo okwu banyere ya mgbe ọ bụla, sị, Nọdụ ala n'aka-nri m, Rue mgbe M'ga-edo ndi-iro Gị ka ihe-mgbakwasị ụkwụ Gị abụa?**

**14 Hà niile abụghị ndi-mmụọ na-efè òfùfè, ndi eziputara ije ozi n'ihi ndi gaje iketa nzọputa?**

**Ndi Hibru isi nke abụọ na-asị -malite n'ahiri nke mbu**

**1 N'ihi nke a anyị aghaghị ịṅabiga nti ókè karị n'ihe anụrụ, ka aghara ibupu anyi n'ebe ha dị ma eleghi anya, dịka mmiri na-ebupu ụgbọ.**
**2 N'ihi na asị na emere okwu ekwuru site n'ọnụ ndi-mmụọ-ozi ka o guzosie ike, asị kwa na njehie niile ọ bụla na aṅaghị-nti niile ọ bụla natara nnyeghachi nke ụgwọ-ọlụ ziri ezi;**
**3 ànyị onwe anyị ga-esi aṅa gbanarị, ma ọ bụrụ na anyị leghara oké nzọpụta dị otú a anya? bú nzọpụta nke eburu ụzọ kwu site**

**n'ọnụ Onyenweanyị, ndi nụrụ ya wee mee ka o guzosie ike rue ebe anyị nọ;**

**4 Chineke na-eso kwa ha na-agbakọ àmà, site n'ihe-ịrịba-ama na ọlụ-ebube dị iche iche, site kwa n'ọlụ ike dị iche iche, site kwa n'òkìkè nke Mmụọ Nsọ, dịka ọchịchọ nke aka Ya si dị.**

Oo, ihe e dere ede dị ebube! Nke a na-ebuli Jisọs elu. Nke a bụ onye ahụ bụ Onye Okike; nke a bụ Ọkpara Chineke zuru oke, nke na-enweghị ntụpọ. Nke a bụ Onye ahụ na-asị: "Ana m eguzo n'ọnụ-ụzọ nke obi gị ma ana m akụ akụ nnọ. Achọrọ m ịbata wee bụrụ naanị Onye ahụ pụrụ ịzọpụta gị ma gbanwee gị ma bụrụkwa Ndụ ahụ kwesiri ịdị nime gị na mgbanwerịta ndụ nke gị onwe gị. Achọrọ m ịnapụta gị pụa site n'agbụ Ekwensu. Achọrọ m ime ka i nwere onwe gị pụa n'ọnọdụ ndi ahụ ndi karịworo gị ijikwata, ka o wee bụrụ Mụ onwe m ma naanị Mụ onwe m bụ onye na-emeju ndụ gị".

Nke abụ ihe Jisọs na-agwa ụfọdụ nime unu ugbua kpọmkwem. Ekwenyere m, n'ụzọ pụrụ iche, dịka i na-eche afọ ọhụrụ nke a iru, na Ọ na-asị, "Ị ga-ekwe ka m mejua n'ezie ebe ahụ nke m nwere ikike imeju?" Nihi na nime ihe ndia edeworo n'Akwụkwọ Nsọ, ọ na-asị na Ọ na-achị achị n'oche-eze Ya. Kedụ maka oche-eze nke ndụ gị? Ị ga-asị, *Ee, Onyenweanyị, Jisọs. Ihe ọbụla ọ ga-ewere, ihe ọbụla ga-emenụ. Ọ bụghị maka mụ onwe m; ọ bụ maka Gị onwe Gị. Nke ahụ bụ etu m si chọọ iche ụbọchị a iru. Nke ahụ bụ etu m si chọọ iche afọ a iru. Ọ bụ ya mere, ezi Onyenweanyị,* **Okwu Chineke ji bụrụ oriọna dịrị ụkwụ m, Ọ bụ kwa ìhè dịrị okporo-ụzọ m.** *Achọrọ m ka Okwu Chineke bụrụ*

*nnọ ihe ntuziaka n'ihe niile kwa ụbọchị, dịka m na-akụgide Gị aka ma na-enye Gị otuto nakwa ofufe ma, n'ime okwukwe, na-atụ anya ihe Ị ga-eme site na mụ - ebe ọ na-abụghị mụ onwe m na-alụpụta ya. Ana m atọgbọ ya n'iru Gị ma kelee Gị site n'okwukwe. Kedụ ihe kariri ya, ahụrụ m Gị n'anya ma nabata Gị site n'obi m niile ịbụ ihe niile nke Ị bụ nime nakwa site na ndụ a ịdịrị Gị. Ka otuto niile na ọjịja mma na nsọpụrụ niile dịrị aha nsọ Gị, Onyenweanyị Jisọs.*

Ị ga-ekpe ekpere ahụ ma debata akwụkwọ ozi maka akwụkwọ ndi ahụ ndi ga-enyere gị aka bụ: *Ochịchọ Gị Maka Chineke* na *Nri Maka Okwukwe* (Your Quest for God and *Food for Faith, n'asụsụ Bekee*). Debata akwụkwọ ozi taa. Anyị na-echere ịnụ site n'aka gị.

*N'aha Jisọs. Amen.*

------ END OF YEAR C -------